# Arụmọrụ Kwunkwugha n’Abụ Ọdịnala Ẹzaa

Emmanuel Emeka Nwaoke, Goodluck C. Nwode
&
Roseline O. Uka Egwu

## ỤMỊ

*Ebumnuche nchọcha a bụ ịchọpụta ma kọwaa ọrụ dị iche iche kwunkwugha na nkwugharị okwu na-arụ n’abụ ọdịnala Ẹzaa na ụzọ ọrụ ndị ahụ si emetụta echiche nkiti na echiche nsịna n’abụ ndị ahụ. A gbasoro atụtụ njirime/echiche nsinọnọdụ na usoro ndacha okwu were tụchaa ụfọdụ abụ ọdịnala Ẹzaa dị ka abụ ikpe, abụ ekwerekwe na ndị ọzọ. Nchọcha a chọpụtara na ndị Ẹzaa na-eji kwunkwugha dị ka mgbamonwe nka okwu nye abụ ha ma site n’ụzọ ndị ahụ mee ka nkwenye agbụrụ, agwa nñomi, atụtụ izugbe, ndịniwu, ejirimara, ekpe na mgbasa omenala ha wee pụta ihe. Ọtụtụ mgbe abụ ndị Ẹzaa na-enwe ngwakọ asụsụ na/ma ọ bụ mmafenye asụsụ nke gosiri na a na-enwe mgbanwe n’abụ ndị ahụ ka ha na-esi n’aka otu ọgbọ banye n’ọzọ. A chọpụtakwara na abụ ọdịnala Ẹzaa na-eji kwunkwugha ezipụta ụdịdị echiche dị iche iche nye ihe a na-ekwu maka ya na ọnọdụ a nọ kwuo ya. A tụchara ọrụ ndị ahụ site na ileba anya n’ọka okwu ndị e ji wube abụ ndị ahụ sitekwa n’ụzọ ahụ mee ka omume na nkwenye ndị Ẹzaa bụrụ ndị a na-sọpụrụ.*

**Ọkpụrụkpụ okwu**: kwunkwugha, abụ, ọdịnala, Ẹzaa

## Mkpọlite

Asụsụ Igbo dịka otu n’ime asụsụ a maa ama na mba ụwa ọkachasị na mba Afrịịka kwesiri ka e chekwaba ma kwalite ya (Nweze, I. M., Nwaoke, E. E. & Ikegwonu, C. N. 2019). A ga-eme nke a site

n'ịtụcha ihe dị iche iche banyere asụsụ Igbo na olu ndị ya dị iche iche. Ọtụtụ ndị odee abụ na-eji ụzọ aghụghọ ekwu ihe ha chọrọ ikwu ma ọ bụ jiri otu ụzọ ma ọ bụ ọzọ zipụta ihe ha chọrọ ka ọha na eze mata. Otu ụzọ ha si enweta ebumnuche ahụ bụ site n'iji ahịrị kwunkwugha. Asụsụ bụ ngwa bara oke uru nye ọtụtụ ihe mmadụ na-eme. Ọ bụ nke a mere nchekwaba na nkwalite asụsụ ọbụla ji dị oke mkpa.

A bịa n'amụmamụ usoro okwu na amụmamụ echiche, a na-ahụta kwunkwugha dị ka adịghị ike odee ma ọ bụ nke okwuu. Kwunkwugha dị ka alaka amụmamụ echiche bụ nkwugharị e kwugharịrị mkpụrụ okwu ma ọ bụ ndokọ dị iche iche ndị na-ezipụta otu echiche n'ime otu ahịrị okwu. ọtụtụ ndị odee kwenyere na e nweghi ndịiche dị n'etiti kwunkwugha (tautology), nkwugharị (repetition) na nhazigharị (paraphrase) mana nke bụ ezi okwu bụ na kwukwugha na-arụga aka nye ndokọ nwere mkpụrụ okwu abụọ ma ọ bụ karịa ndị na-ezipụta otu echiche ebe nkwugharị na-arụga aka nye mkpọpụta ma ọ bụ odide a na-ede otu mkpụrụ okwu ugboro ugboro. Nhazigharị n'aka nke ọzọ bụ nke e ji akọwa ọnọdụ ebe agbanwere mkpụrụ okwu ma ọ bụ ndokọ ọgbara okwu iji zipụta otu echiche ma ọ bụ mee ka ihe a na-ekwu maka ya doo anya nke ọma. Abụ bụ okwu ma ọ bụ ederede nke nwere ohere pụrụ iche maka nhọ okwu, ụda ndakọrịta na atụ.

Okafọ na Ewelukwa (2012) hụtara abụ dị ka otu ngalaba agụmagụ ọdịnaala nke na-apụta ihe n'ụdị ederede ma ọ bụ n'ụdị okwu ọnụ. Snead (1998) kwenyere na ndị mmadụ na-ege abụ ma ọ bụ egwu dị iche iche iji site n'echiche ma ọ bụ ozi abụ ahụ na-ezi nweta ahụ uto, gosi ịhụnanya; si etu ahụ nyere ndị ọzọ aka, sonyere ndị na-eru uju ma mekwa ka nkwenye ndị mmadụ pụta ihe ma kwụsie ike. A na-esite n'atụmatụ okwu dị iche iche dị ka mbụrụ, myiri, mbịambịamgbochi, egbe okwu, nsinụda na atụmatụ okwu ndị ọzọ ezipụta ebumnuche abụ. Echiche niile atụmatụ okwu ndị a

na-enye na-agbakwasị ụkwụ nye nhụrụnuche nke na-arụtụ aka nye ebumnuche ọkpọ abụ.
A bịa n'amụmamụ agụmagụ Igbo, e nwere ụzọ abụ abụo: abụ ọdịnaala na nke ederede/ugbụ a. Abụ ọdịnaala bụ bụ ụdị abụ ndị ahụ e ji ọnụ agụ ka egwu. Ụdị abụ a bụ nke a na-echekwaba site na isi n'otu ọgbọ nyefe ya ọgbọ ọzọ. Abụ ederede (ugbu a) bụ nke a na-ede n'ihe ogugu dị iche iche dị ka akwụkwọ ma site n'ụzọ ndị ahụ chekwaba ha.

Waldoff (2001) dere na ọ bụ ezi okwu na mgbe ọ bụla a kpọrọ kwunkwugha aha, ihe na-agbata ndị mmadụ n'uche bụ nkwugharị e kwugharịrị otu mkpụrụ okwu; ọ dị mkpa ka a mata na kwunkwugha na myinabọ ma ọ bụ nkwugharị/nsụgharị abụghị otu. Wierzbieka (1991) mere ka a mara na ahịrị nwere kwunkwugha anaghị enwe ezi echiche nke e ji ekwu na ọ bụ ezi okwu ma ọ bụ asị. O gara n'ihu kwuo na e nwere ọtụtụ ụzọ kwunkwugha si apụta ihe n'asụsụ dị iche iche. Ebumnuche izugbe nchọcha a bụ ịchọpụta na ịkọwa ọrụ dị iche iche kwunkwugha na-arụ n'abụ ọdịnala Ẹzaa ma ụzọ ọrụ ndị ahụ si emetụta echiche nkiti na echiche nsịna n'abụ ọdịnala Ẹzaa.

## Usoro nchọcha

Ụdị nchọcha e mere bụ nke ndịzịma. Ọchọcha bụ nwa ama ala Ẹzaa, bụrụkwa onye mara olu ndị Ẹzaa nke ọma; ọ gara ala Ẹzaa gbaa ajụjụ ọnụ ma nweta njatụle e ji mee nchọcha a. Njatụle ndị ahụ bụ abụ ọdịnaala Ẹzaa ndị bụ abụ ekwerekwe, abụ ikpe, abụ ndụmọdụ, na ndị ọzọ.

## Kwunkwugha

Ndimele (1997) kọwara kwunkwugha dị ka ndapụ asụsụ ndịnọrụ ebe ọgbara okwu dị n'ahịrị anaghị enwe ntụnye oke nye echiche ahịrị ahụ na-ezipụta. Traugott (1980) hụtara kwunkwugha dị ka

ahịrị okwu bụ asị nke na anaghị egosi amamihe ga-eme ka a huta ya na ọ bụ ezi okwu n'ihi na ọ na-akọwa onwe ya dị ka ezi okwu. Ọ gara n'ihu kwuo na mkpụrụ okwu ndị ahụ e kwugharịrị abaghi uru n'abụ.

O kwukwara na kwunkwugha dị ka alaka amụmamụ echiche na-ebute nsogbụ n'ihi na ha anaghị eweta echiche ọhụ. Keach (2004) n'aka nke ya kwenyere na mgbe e ji ọtụtụ mkpụrụ okwu zipụta otu echiche n'ahịrị okwu ma ọ bụ abụ, ihe o pụtara bụ na echiche mkpụrụ okwu ndị ahụ na-ezipụta karịrị echiche nkiti ha. Echiche mkpụrụ okwu e kwugharịrị ekwugharị na n'abụ abụghi nke a ga-asị na ọ naghị enwe ire kama ọ bụ nke na-eme ka echiche mkpụrụ okwu ahụ bụrụ nke a gbatịrị agbatị ịhụ na ebumnuche okwu pụtara ihe. Site na nke a o doro anya na kwunkwugha na-apụta ihe mgbe nhazi mkpụrụ okwu pụtara ihe n'ụdịdị ma ọ bụ n'ebe o kwesighi ma site n'otu aka ahụ rupu isi n'iwu na-achi usoro okwu na nnweta echiche n'asụsụ ahụ.

Moore (2001) kwenyere na kwunkwugha bụ ọchịchị ma ọ bụ nkwarụ a na-ahụta mgbe e kwugharịrị nkebi ahịrị okwu. Nkọwa ya mere echiche kwunkwugha ji gbachie anya n'ihi na o meghi ka mata ma ọ bụ banyere mkpụrụ okwu ka ọ bụ echiche. Ọkọwa okwu atọ kwadoro ya site na nkọwa ha nyere: Concise Oụford Dictionary (2011) kwuru na kwunkwugha bụ nkwugharị enweghi isi nke a na-ahụta mgbe e ji ọtụtụ mkpụrụ okwu nwere otu echiche were kwugharịa otu ihe n'ime otu nkwupụta. Merriam-Webster's Dictionary of Synonyms (1984) hụtara ya dị ka nkwugharị abaghị uru nke e ji ọtụtụ mkpụrụ okwu were kwuo banyere otu ihe. Oụford Dictionary of English (2010) kọwara kwunkwugha dị ka ịsị ụzọ abụọ ma ọ bụ karia zipụta otu echiche banyere otu ihe nke a hụtara na ọ dabaghị n'aka nka asụsụ. Kwunkwugha anaghị apụta ihe naanị na mkpụrụ okwu. A na-eji ya ezipụta echiche dị mkpa na mkpụrụ okwu nakwa ọgbara okwu dị iche iche. Nke a mere Gibbs

(1994) jiri kwuo na kwunkwugha na-ekwupụta n'uju ihe e kwuru na mbụ n'ọgbara okwu dị iche iche. Nkọwa ya wetara myiri n'etiti kwunkwugha na nkwugharị.

Waldoff (2001) kwenyere na ọ bụ ezi okwu na a na-ahụta kwunkwugha dị ka nkwugharị a na-ekwugharị otu mkpụrụ okwu n'ime otu ahịrị okwu mana na ọ dị mkpa na a ghọtara na *nkuzi mgbamejije - replication* na oyiri ha na-ezipụta n'ahịrị okwu abụghi otu ya na nkwugharị mgbe ọtụtụ okwu nwere otu echiche dị n'ime ahịrị okwu. Keach (2004) kwenye na ọ bụ ọnọdụ a mere kwunkwugha ji eweli ike abụ elu. O kwuru na mgbe ọ bụla ọtụtụ mkpụrụ okwu nwere otu echiche pụtara ihe n'ahịrị okwu ma ọ bụ n'abụ, ihe ọ pụtara bụ na echiche ha na-ezipụta karịrị echiche nkịtị ha.

Meibauer (2008) dere na a bịa n'amụmamụ asụsụ, a na-esite n'ọnọdụ a nọ kwuo okwu ma ebe a nọ kwuo ya huta kwunkwugha dị ka ahịrị okwu nke echiche ya bụ ezi okwu. O dere na ọmụma atụ kwunkwugha n'amụmamụ asụsụ bụ " agha bụ agha", nke echiche ya bụ ezi okwu n'ọnọdụ niile mana a bịa n'ọnọdụ amụmamụ *akpụ okwu e ji aka ọ dịghị -propositional calculus*, ọ gaghizi enwe kwunkwugha. Nkwenye ya mere kwunkwugha jiri bụrụ ihe kwesiri ịtụcha site n'ileba anya nke ọma n'ọnọdụ ebe a nọ kwuo okwu. Leech (1969) n'aka nke ya hụtara kwunkwugha dị ka ihe na-anaghị ekwu ihe ọ bụla gbasara ụwa na asụsụ. Ward na Hirschberg (1991) kwenyere na e kwesiri iwube atụtụ pụtara ihe a ga-eji atụcha abaghị uru mkpụrụ okwu n'ọgbara okwu dị iche iche.

Pomorska (1987) hụtara kwunkwugha dị ka nkwugharị a na-ekwugharị otu mkpụrụ okwu nke na-ezipụta otu echiche. O kwukwara na kwunkwugha na-ezipụta echiche okwu e kwuru na mbụ nke a chọrọ ka echiche ya gụzọsie ike. States (2000) dere na nkwenye banyere kwunkwugha bụ nke e kwesiri ileba anya site na

imata ihe anyị hụtara dị ka myiri na ndịiche, mpekere na ogbe. O gara n'ihu kwuo na ọ bụrụ na anyị emeghi nke a, e nwekwara ike ịhụta ụwa a niile dị ka kwunkwugha.

**Abụ ọdịnaala**

Nze na Imo (2010) kọwara abụ dị ka nzimozi nke si n'obi pụta nke e nwere ike ide n'akwụkwọ ma ọ bụ zipụta n'ọnụ; nke a na-eji okwu ọkpọka ma ọ bụ okwu a piri aka ma ọ bụ nke okwu bụ ịgba zipụta n'ụzọ dị nke nke. Ha kwenyere na a na-akpi okwu akpi mgbe a na-ede abụ ugbụ a. Olajubu (1981) dere na a na-ahụtazị abụ ọdịnaala dị ka abụ zuru oke. Abụ ọdịnaala nwere nka mma na agwara niile asụsụ na-enwe n'ihi na ndịna na nhazị ha niile bụ ụdị a na-ahụta n'abụ ugbu a. Bamikunle (1985) na aka nke ya kwenyere na ọ dị mkpa na anyị tụchara abụ ọdịnaala anyị n'ihi na ọ bụ ụzọ dị etu a ka anyị ga-esi mee ka nkọjọ na nneni ndị ọchaa kọjọrọ/nenie abụ ọdịnaala anyị daa mba. Finnegan (1992) hụtara abụ ọdịnaala dị ka nke a na-enyefe site na okwu ọnụ; anaghị enyefe ya site n'ederede dị ka ọ dị na abụ ugbu a. O gara n'ihu mee ka a mata na nnyefe, mwube na ngosi abụ ọdịnaala bụ ndị a na-eme site n'okwu ọnụ.

Tupu abụ ọdịnaala Ẹzaa adị, a ga-enweriri onye ma ọ bụ ndị dere ma ọ bụ wube abụ ndị ahụ, ndị e siri n'aka ha hazie, gosi ma nyefe ha n'aka obodo. Ugbụ a, abụ ndị ahụ enweghi onye/ndị a mara wubere ha, ebe a nọ wube ha ma ọ bụ mgbe e wubere ha kpom kwem. Ka ubochi na-aga, a na-esi n'otu ọgbọ nyefe ha n'aka ọgbọ ọzọ; a na-enwekwa mgbanwe na ha site na ntinye ma ọ bụ mwepụ otu ihe ma obụ ọzọ.  Sotunsa (2002) kwuru na ọ bụ ọnọdụ a mere e ji ahụta ha dị ka nke ọha obodo. Ndị wubere ha na-enweta ngwa ha ji wube ha site n'ewumewu ọdịnaala/omenala obodo dị ka ilu, akụkọ, akpala okwu, ụkabụilu na ndị ọzọ. Ọ bụ ya mere ndị ochocha dị iche iche ji ahụta abụ ọdịnaala dị ka nke ha obodo ma

chefuo na ndị okaa na ndị ọzọ a ma ama dị ka Mike Ejagha, Chinua Achebe, Wole Soyinka, Amos Tutuola, Ngugi Wa Thiog'o na ndị ọzọ ejirịla ilu, ụkabụilu, ụrọ okwu na ewumewu asụsụ mba ala Afriika dee ihe ndị e ji anụ aha ha mana ndị ọkpọ abụ ọdịnaala enweghi ebe e deturu nke ha edetu n'ihi ya o nweghi onye na-anụ aha ha kama ọ bụ aha obodo ha ka a na-anụ. Sotunsa (2002) kwuru na ọtụtụ mmadụ ahazigharịala abụ ọdịnaala site na idetu ya edetu na igosi ya egosi. O gara n'ihu kwukwa na abụ ederede ndị ahụ bụ ndị a na-egosi n'ọha dị ka egwu ọdịnaala n'ihi na a na-etinye ha agwara ọdịnaala ha. Ojaide (1995) chopụtara ụzọ mgbanwe abụo pụtara ihe na abụ ọdịnaala; kwunkwugha na egwu nkwa. O kwuru na a na-enwe ngwakọ asụsụ, mmafenye asụsụ na ngwa nkọwa echiche nsinaụda n'abụ ederede ndị mba Afriika.

**Arụmọrụ kwunkwugha n'abụ ọdịnala Ẹzaa**

Nchọcha a gbasoro atụtụ njirime (echiche nsinọnọdụ) Wittgenstein (1953) wubere na usoro nkọwasị ya na ndacha okwu nke Leech (1969) wubere. Atụtụ njirime (echiche nsinọnọdụ ) na-ekwu na a na-aghọta mkpụrụ okwu ma ọ bụ ọgbara okwu ọ bụla site n'etu ndị obodo nwe asụsụ si were okwu ahụ na-arụ ọrụ ma ọ bụ etu ha si e ji ha ezikọrịta ozi. Atụtụ a bara uru na nchọcha n'ihi na nchọcha a tụchara abụ ọdịnala Ẹzaa di iche iche ma gosipụta ụdịdi ha na ọnọdụ ebe a na-ano akpọ ụdị abụ ndị ahụ na ihe ndị kapatara o ji di etu ahụ.

Usoro ndacha okwu n'aka nke ọzọ bakwara uru nke ya n'ihi na o na-ekwu na ihe gbasara mmekorita mmadụ na ibe ya na omenala bụ nke akuko ala nke na anaghị atụkwasa uche n'iwu ụtọ asụsụ kama o na-ezipụta oke mmasị nye aka nka garala aga. Usoro a nwere mpaghara abụo: myịmemetụ na ndacha /ndahie. Myịmemetụ bụ ndịkọ n'otu oge ma ọ bụ n'ụzọ yiri na-emetụghaghi emetụta ebe ndacha (ndahie) bụ ọtụtụ aka nka nye etu

o si gbaso usoro asụsụ a na-ekwu maka ya, ma ọ dị ukwuu ma o di nta. Anyị kwadoro Simpson (2007) nke kwuru na usoro ndacha okwu bụ isi a huru kwaba okpu n'aka nka n'ihi na myịmemetụ na ndacha na-enyere nhazi ekwumekwu na ederede asụsụ dị iche iche aka wepụta nka na mma dị ha n'ime.

Usoro a gbasorọ bụ nke nkọwa sị. A kọwa ra abụ ndị ahụ site na ileba anya n'ogo amụmamụ na mmebe asụsụ. Leech na Short (1981) zipụtara ogo ano e si akọwa nka asụsụ; ha gụnyere amụmamụ echiche, usoro okwu, amụmamụ mkpụrụ uda na amụmamụ odịde. Leech (1969) dere na e nwere odidi ndacha dị iche iche a na-ahụta n'abụ; ha gụnyere ndacha mkpụrụ okwu, ndacha echiche, ndacha mkpụrụ uda asụsụ, ndacha mmebe okwu, ndacha uto asụsụ, ndacha olu ndị, ndacha asụsụ njimaru, ndacha akuko na ndacha usoro odide. O kwuru na ụzọ ndacha itoolu ndị a anaghị apụta ihe n'abụ otu mgbe; kama otu ma ọ bụ karia na-apụta ihe n'otu abụ. Etu o sila dị, ndị ochocha tụchara abụ ọdịnala Ẹzaa ole na ole na nchọcha a site na ikọwa sị ụdịdị ha, ụdị ọnọdụ na-akpalite ha, kwunkwugha na nkwugharị echiche ha, usoro okwu ha na ndacha a na-ahụta na ha.

**Abụ A – Bịagẹ bịagẹ**

Bịagẹ bịagẹ bịagẹ jee l'eke
Ayẹ ayẹ ayẹ eee
Onye la-abịa anyị a mara ulo ya
Ayẹ ayẹ ayẹ eee
Bịagẹ bịagẹ bịagẹ jee l'eke
Ayẹ ayẹ ayẹ eee
Onye la-abịa chọrọ anyị opfu e
Ayẹ ayẹ ayẹ eee
Bịagẹ bịagẹ bịagẹ jee l'eke
Ayẹ ayẹ ayẹ eee
Onye la-abịa cho t'anyị hwụ ya ihwu

Ayẹ ayẹ ayẹ eee
Bịagẹ bịagẹ bịagẹ jee l'eke
Ayẹ ayẹ ayẹ eee
Onye la-abịa anyị ereta ya nre e
Ayẹ ayẹ ayẹ eee
Bịagẹ bịagẹ bịagẹ jee l'eke
Ayẹ ayẹ ayẹ eee
Onye l'eku ehubadu mma oku
Ayẹ ayẹ ayẹ eee
Bịagẹ bịagẹ bịagẹ jee l'eke
Ayẹ ayẹ ayẹ eee
Mini onye la-añu be ehu ya le-eme go ya
Ayẹ ayẹ ayẹ eee
Bịagẹ bịagẹ bịagẹ jee l'eke
Ayẹ ayẹ ayẹ eee

Abụ a bụ abụ oru e kwere ekwe. Ọ bụ abụ ọdịnala ụmụ nwaanyị Ẹzaa ji azacha ma na-ehocha ahịhịa n'okpuru ebe ha si ekute mmiri ọnụnu n'oge mbụ. Abụ a na-akpọ ụmụ nwaanyị niile bi n'ogbe ka ha pụta bịa jiko aka ka e mee ebe ahụ ka o dị ocha. O mere ka a mara na aga-ada onye na-abịaghi nha. Kwunkwugha pụtara ihe nke oma n'ọtụtụ ahịrị ebe a si *Bịagẹ bịagẹ bịagẹ… Mini onye la-añu be ehu ya le-eme go ya, etc.* O doro anya na ọ bụ ndị nwe okpuru na-elekota ya, mgbe a si onye ọ bụla bịa ruo n'eke, nke bụ egbe okwu n'ihi na o nweghi ka a ga-esi si mmadụ niile bi n'ala Ẹzaa ruo n'Ọnụeke pụta bịa dowe otu okpuru ọcha. *Onye la-abịa anyị a mara ụlọ ya* na *Onye la-abịa chọ t'anyị hwu ya ihwu* bụ akpala okwu nke na-ekwu na a ga-ada onye na abịaghi nha; e kwugharịrị ha n'echiche agba ala ha mgbe a sị *Onye la-abịa anyị ereta ya nre e*. Echiche abụ a doro onya, usoro okwu e ji kpọ abụ a na mbụ na nke e ji dee ya ugbu a gbasoro ụtọ asụsụ Ẹzaa. E nweghi ndacha pụtara ihe n'ihi na ahịrị niiile nwere myịmemetụ;

ekwerekwe ya *ayẹ ayẹ ayẹ eee* enweghi echiche pụrụ iche ọ na-ezipụta mana o nyere aka mee ka o nwee ndakọrịta na ndanusoro. E nwekwara ngwagwọ asụsụ n'abụ a, ọ pụtara ihe na *ịdọtị* pụtara *dirty* n'asụsụ Bekee.

**Abụ b – Dọla notu**

A tụrụta m dọla notu
Ngwanụ
A tụrụta m dọla notu
Ngwanụ
Onye riru ihwe m gbabẹrụ m
Ngwanụ
Onye ono a bụrụ nwoke nwanyị lanụ
Ngwanụ
Onye ono a bụrụ udele tupfuru l'etsu
Ngwanụ
Onye ono a bụrụ nkashi bafụ l'ụba
Ngwanụ
Onye ono a bụrụ echara tụfụ l'ụtụ
Ngwanụ
Tujenu m dọla notu
Ngwanụ
O kwa m bụ dọla notu
Ngwanụ
A tụrụtamu dọla notu
Ngwanụ
Onye riru ihwe m gbabẹrụ m
Ngwanụ
Onye ono a bụrụ nwoke nwanyị lanụ
Ngwanụ
Onye ono a bụrụ udele tupfuru l'etsu
Ngwanụ

Onye ono a bụrụ nkashi bafu l'ụba
Ngwanụ

Abụ a bụ abụ oru e kwere ekwe. Ọ bụ abụ ọkpọ abụ ji ekwupụta obi sarasara ya. O kwuru na ya tụrụtara akwụkwọ ego *dollar* ma gosikwa mmasị ya iji ya nyere ndị ọzọ aka. O malitere mee ka a mata na onye ọ bụla ya nyere aka chọrọ iji ihe ojo kwụọ ya ụgwọ ga-abụ onye ihe ga-esiri ike. O mere nke a site na ikwugheri echiche ahịrị ahụ n'ụdị dị iche iche ndị gụnyere *Onye riru ihwe m gbabẹrụ m,onye ono a bụrụ nwoke nwanyị lanụ, onye ono a bụrụ udele tupfuru l'etsu, onye ono a bụrụ nkashi bafụ l'ụba, onye ono a bụrụ echara tufu l'utu.* Nke a pụtara na onye ahụ ga-adị ka nwoke lụlụ nnani otu nwanyị (agụ ga-egbụ ya), onye ahụ ga-abụ udele tukwuru ebe mposi (udele anaghị eri nsi- agụ ga-egbụ ya), onye ahụ ga-abụ ede bara n'akwụkwọ ya mana o nweghi nke a ga-egwuru n'ala ma ọ bụ achara tụọ ụtụ nke pụtara na ọ gaghị aba uru. Echiche abụ a doro onya agabanyeghi na o kwuru otu ihe n'ụzọ dị iche iche, usoro okwu e ji kpo abụ a na mbụ na nke e ji dee ya ugbụ a gbasoro ụtọ asụsụ Ẹzaa. E nweghi ndacha pụtara ihe n'ihi na ahịrị niile nwere myịmemetụ; ekwerekwe ya *ngwanụ* nyere abụ ahụ ndakọrịta ma na-ezipụta echiche nke na-ekwu ka a nwanụ.

**Abụ Ch – Anụ nwa Jaakị**

Anụ nwa jaakị e yịta ghu iwhe
Hwịacha gegedegen
Anụ nwa jaakị e yịta ghu iwhe
Hwịacha gegedegen
O yịtaru ụkpọrọ ekpa ego le ekpa ego ole o?
Hwịacha gegedegen

Ọ kwa ụkpọrọ ekpa ego le ekpa ego ise
Hwịacha gegedegen
Vụta jiakpụ ghụ ree je apfua ugwo ya

Hwịacha gegedegen
O to hwudukwa
O hwudukwa mọ nwa ile ile
Whụ ya bụ ẹka gegedegen
Unwurukpo nwata ụrọbọ
Nọdụ ta a wuru ghụ ohwe
Nọdụ ta a naru ghụ unu
ẹka gwọrụ ghu eji
A kwọrụ ghu ẹka le mini ọkụ?
Hwịacha gegedegen

Abụ a bụ abụ ikpe. Abụ ikpe bụ abụ e ji akọjọ a dịghị mma/ike nke mmadụ, ọnọdụ ma ọ bụ obodo. Abụ a na-ekwu banyere ụmụ nwaanyị aka ọkụ ndị kama o ga-adọrọ n'ite ka ọ dọrọ n'afọ. Echiche abụ a doro anya. O kọjọrọ nwaanyị bitere ego na nzukọ zụọ ahịa anụ jaakị nke isi ego ya, uru ma ihe ubi ọ kọrọ nara n'iyi n'ihi na o nweghi ike ichedo nke o nwere si etu ahụ bụtere onwe ya na ezi n'ụlọ ya mkparị. Abụ kọtọrọ nwanyị ịnọ ka dị ya na-emere ya ihe niile dị ka ịzụtara ya ofe otite na nnu. O kwukara na nwanyị ọ bụla nọ n'ụdị ọnọdụ a bụ onye aka gwọrọ ajụ. Ajụjụ nzara onwe pụtara ihe n'abụ a: *O yịtaru ụkpọrọ ekpa ego le ekpa ego ole o? A kwọrụ ghụ ẹka le mini ọkụ?* E nwekwara mmafenye asụsụ site n'asụsụ Igbo banye na Bekee n'abụ a: *Unwurukpo nwa ụrọbọ* (*rubber*). A gbasoro ụtọ asụsụ Ẹzaa kpọ ma dee abụ a. E nweghi ndacha pụtara ihe n'ihi na ahịrị niiile nwere myịmemetụ; ekwerekwe ya *Hwịacha gegedegen* na-ezipụta na e nweghi ihe foro ma otu; o nyekwara abụ a ndakọrịta na ndanụsorọ bụ igba.

**Abụ D – Chinyere Ugo**

Anyị jee l'upfu ụkpa
Je a hwụa Chinyere Ugo
Anyị jide Chinyere Ugo onye yeru ya ime o
Ọ sụ le ọ papa ya bụ onye yeru ya ime

Anyị je l'ịkpa ishi
Onye yejeru nwa ya ime?

Abụ a bụ abụ miri emi na-ezipụta ikpe nke nke. Abụ a na-akọwa na ime mkpuke bụ ihe ala Ẹzaa na-agbarụrụ ihu Igbo. Onye ọ bụla tụụrụr ime mkpuke na-ezo onwe ya ezo n'ihi ihere. Nke Chinyere Ugo gbachịrị anya karịa nke ibe n'ihi na o kwuru na ọ bụ nna ya tụrụ ya ime. N'ala Ẹzaa, ọ bụ ajo ihe ụmụ nwanne, nna na nwa ma ọ bụ nne na nwa inwe mmekọ nwoke na nwaanyị. Mgbe e nwere ọnọdụ dị etu a ma ọ bụ ihe ọ bụla gbachịrị anya nke ukwu n'ala Ẹzaa, a na-eje n'Ọkpọkụ Ezekụna je jụọ ajụjụ banyere ụzọ a ga-esi mee ka ọ dị mma. Abụ a na-arụ ọrụ nduzi nye ụmụ Ẹzaa, ka ha mata na e nwere ebe a na-ajụta ajụjụ banyere omenala na ọdịnala dị iche iche n'ala Ẹzaa. Abụ a bụ ihe ịdọ aka na ntị dịrị ogbo ugbu a ndị na-akpa agwa ka nkita. E nwere okwu ndị e kwugharịrị n'abụ a; ha gụnyere *Chinyere Ugo* na *onye yeru ya ime.* E nwekwara ajụjụ nzara onwe n'ikpe azụ ya ebe a jụrụ *Onye yejeru nwa ya ime?* E nwekwara ngwakọ asụsụ Igbo na asụsụ Bekee n'abụ a: *Ọ sụ le ọ **papa** ya bụ onye yeru ya ime.* Echiche abụ a doro onya n'ihi na a kpọrọ ya n'ụdị abụ akụkọ, usoro okwu e ji kpọ abụ a na mbụ na nke e ji dee ya ugbu a gbasoro ụtọ asụsụ Ẹzaa. E nweghi ndacha pụtara ihe n'ihi na ahịrị niile nwere myịmemetụ; o nweghi ekwerekwe mana o nwere ndakọrịta na ndanusoro di mma.

**Abụ E – Ota anụ**

Onye ole gbahanụrụ m ọnụ oba
Iye… iye ye yege iye
Eji nwọnụ ọba gbaharụ m ọnụ oba
Iye… iye ye yege iye
Ọ kwa ji m su te a gbaharụ m ọnụ ọba
Iye… iye ye yege iye
Ụnwụ nnajị ji m gbaharụ m ọnụ oba
Iye… iye ye yege iye

Temenụ ị taa anụ rijiadanụ ẹhwọ
Iye.. iye ye yege iye
Idzu ịnya egu l'eme t'edzudu ẹka ya ndụ nke m
Iye… iye ye yege iye
O gude agọ eri nyata onye gude ẹka
Iye… iye ye yege iye
Onye arịọ kanụhwo onye oshi mma
Iye… iye ye yege iye
M ta ajikakwa anụ egụ taa nshị ọkụ
Iye… iye ye yege iye
Ọnwụtarụ nwa le mgboko zụkwa ya azụ
Iye… iye ye yege iye
Ọ bụrụ le nsogbụ ghu bụ ahwa l'anụ
Iye… iye ye yege iye
Jee te i kọ nwa ereshi
Iye… iye ye yege iye
Ọ bụrụ le nsogbụ ghu bụ ụkpọrọ ahwa
Iye… iye ye yege iye
Jee te iwata adza mpfụ
Iye… iye ye yege iye
Ọ bụrụ le nsogbu ghu karịru ụkpọrọ ahwa
Iye… iye ye yege iye
Je te i zụa nwa azụ
Iye… iye ye yege iye
Iyege iyege iye
Iye… iye ye yege iye
Iyege ige iye
Iye… iye ye yege iye

Abụ a bụ abụ ndụmọdụ; A bịa n'ala Ẹzaa, o nwere omenala a na akpọ *ịma ịnya*. Onye ọ bụla mara ịnya ka a na-akpọ *onye ịnya* nwunye ya a bụrụ *idzu ịnya*. Ọha na-asọpụrụ onye ọ bụla mere nke

a, mgbe agba ọhụ bịawara, o nwere otu nwanyị di jere gote ịnyịnya maka omenala a, mana agụ na-egbu ha. Mgbe nwoke ahụ kpụ ịnyịnya ahụ bata, e nwere ọñụ pụrụ iche e ji anabata onye mere ihe di etu ahụ:

*Gbee gara gara gara gara*
*Nweta nwishi le nwịnya o*

Nwaanyị ahụ wee pụta tie mkpu gosiri na agụ na-anyụ ha ịkpakwụ sị:

*Gbee gara gara gara gara*
*Bee eri nri le ba akpọ okpu uchi; enyanshi bụ akuku akuku*

Ihe *idzu ịnya* ahụ kwuru wutere umu nna dị nke ukwu. Ha wee nye iwu ma gosi nwaanyị ahụ osisi ji abụ buru ibu n'oba di ya ka o si ebe ahụ na-ewere ji ọ ga na-eri. Ọnụ mere nwaanyị ahụ ji were bụo abụ a. Malite ubochi ahụ, ndị mmadụ bịa nwee mmasị n'ịzụ ụmụ ha karịa ihe ndị ọzọ. Echiche abụ a doro onya agabanyeghi na ndacha echiche pụtara ihe na mmalite ya mana ka gụrụ gbada, o malitere nwebe myịmemetụ. Ọkpụkpọ abụ a na odide ya gbasoro ụtọ asụsụ Ẹzaa. Ekwerekwe ya *Iye… iye ye yege iye* nyere abụ ahụ ndakọrịta na ndanusoro mana o nweghi echiche pụrụ iche ọ na-ezipụta.

## 4.0 Nchịkọta na mmechi

Otu ihe kacha pụta ihe na nchọcha bụ na abụ ọdịnala Ẹzaa na-eji ụzọ aghụghọ ezipuru ọha na eze ozi; nke a mere ahịrị abụ ndị ahụ ji enwe echiche nkiti na nke nsina. Abụ ọdịnala Ẹzaa nwere ndị nwere ekwerekwe na ndị na enweghi. Ekwerekwe abụ ọdịnala Ẹzaa nwere ndị nwere echiche nwee ndị na enwghi echiche mana ha niile na-enye abụ ndị ahụ ndakọrịta na ndanusoro. Atụmatụ okwu, kwunkwugha na nkwugharị so na aka nka na nkamara e ji ezipụta nkwenye agbụrụ, agwa nñomi, atụtụ izugbe, ndịniwu,

ejirimara, ekpe na mgbasa omenala Ẹzaa. A hutara ngwakọ asụsụ na mmafenye asụsụ n'ufodu abụ ndị a; nke a na-egosi na a na-enwe mgbanwe, ntinye na mwepụ n'abụ ndị ahụ. Nke a na-emetụ nkwenye agbụrụ ndị ọzọ ka ha si n'aka otu ọgbọ banye n'aka ọgbọ ọzọ. Nchọcha kwenyekwara na

**Nrụmaka**


Bamikule, A. (1985) "The criticism of oral literatụre in Nigeria- An assessment of some critical views." *Nigeria Magazine* 53:3: 44-49

Finnegan, R.. (1992) *Oral poetry: Its natụre, significance and social conteụ bloomington and indịanapolis:* Indiana U.P. First published 1977

Gibbs, R. W. (1994). *The poetics of mind: Figurative thought, language, and understandịng*, Cambridge: Cambridge University Press.

Keach, W. (2004). *Arbitrary power: Romanticism, language, politics*. Princeton University Press, pp. 27-35.

Leech, G. (1969). *A linguistic guide to English poetry*. London: Longman.

Leech, G. & Short. M.H. (1981). *Style in fiction*: London: Longman.

*Merriam-Webster's Dictionary of Synonyms.* (1984). USA: Merriam-Webster Incorporated.

Meibauer , J. (2008) .*Tautology as presumptive meaning* .John Benjamins Publishing Company.

Moore, M. (2001) A Review of General Semantics. *Languages and linguistics*. https://scholar.google.com/scholar?ọ=Moore,+M.+(2001)+A+Review+of+General+Semantics.+Languages+and+lingu

istics.&hl=en&as_sdt=0&as_vis=1&oi=scholart&sa=ụ&ved=0ahụKEwjrtM3aụfPUAhụC2ụoKHey-CmsọgọMIJDAA

Nweze, I. M., Nwaoke, E. E. & Ikegwonu, C. N. (2019). Nkwalite Asụsụ Igbo: Ileba Anya na Nsụgharị . Ékwé Jọnal nke ndị Igbo Scholars Forum, Nigeria Volume 12; No 1 http://www.igboscholarsforum.com.ng/649-2/

Ndimele, O. (1997). *Semantics: the frontiers of communication.* Portharcourt: University of Portharcourt Press Limited.

Nze, A. I. & Imo, G. (2010). *Nchịkọta akwụkwọ Igbo maka ule sinịọ sekọndịrị.* Nnewi: Mis-Fav-Publishers

Ojaide, T. (1995) "New trends in modern african poetry. *Research in African literatụres* 26:1: 4-19.

Okafọ, C. & Ewelụkwa, U. (2012). *Nhazi asụsụ Igbo maka ule sekọndịrị na koleji*. Onitsha: A. C. Global Pulishers

Olajubu, O. (1981) "Yoruba Oral Poetry: Composition and Performance." *Oral Poetry in Nigeria.* Abalogu U.N et al (eds) Nigeria Magazine, Lagos: 71-85.

Pomorska, K. (1987). *Language, poetry and poetics*. Amsterdam: Motuon.

Simpson, P. (2007). *Stylistics*. London: Routledge.

Snead, J. A. (1998) "Repetition as a Figure of Black Culture." *The jazz cadence of American culture*. Robert G. O'Meally (ohz.). New York: Columbịa University Press

Sotunsa, B. E. (2002) *The concept of African traitional oral poetry.* PhD seminar Paper, Babcock University. https://www.babcock.edu.ng/oer/conference/THE%20CONCEPT%20OF%20AFRICAN%20TRADITIONAL.pdf

States, B. (2000). Of paradoụes and tautologies. *The American Scholar* 67, 51-66. http://www.jstor.org/discover/10.2307/41212715?uid=3739368&uid=2&uid=4&sid=21102643851907

Traugott, E (1980). *Linguistics for students of literatụre*. New York: Harcourt Brace Jovanovich.

Waldoff, L. (2001). *Wordsworth in his major lyrics: The art and psychology of self-representation.* University of Missouri Press, 125.

Ward, G. L., & Hirschberg, L. (1991). A pragmatic analysis of tautological utterances. *Journal of Pragmatics* 15.507–520.

Wierzbieka, A. (1991). *Cross-cultural pragmatics: The semantics of human interaction*. New York: Motuon de Gruyte.

Wittgenstein, L. (1953) *Philosophical investigations.* Oxford: Basil Blackwell Ltd. https://static1.sọuarespace.com/static/54889e73e4b0a2c1f9891289/t/564b61a4e4b04eca59c4d232/1447780772744/Ludwig.Wittgenstein.-.Philosophical.Investigations.pdf e jere na nke a n'abalị iri atọ nke ọnwa Mee 2018 (30th May, 2018)

*Emmanuel Emeka Nwaoke*
*Department of Linguistics and Literary Studies*
*Ebonyi State University, Abakaliki Ebonyi State, Nigeria*
*&Goodluck C. Nwode*
*Department of General Studies*
*(Use of English)*
*Ebonyi State School of Health Technology Ngbo, Ebonyi State*
*&Roseline O. Uka Egwu*
*Igbo Department*
*Ebonyi State College of Education Ikwo, Ebonyi State*